Ontario Medical Association

# AkwukwọMgbasaozi Ọhaobodo

Julaị, 2020

## ỊCHỌPỤTA MMETỤTA E NWEGORO NA-ENYERE ANYI AKA IMEGHEKWA MA NỌDỤ N'ENWETEGHI IHENSOGBU




### Gịnị bụ ịchọpụta mmetụta e nwegoro?

Ịchọpụta mmetụta e nwegoro bụ etu ndị na-eweta ojije ozi maka ahụike nke ọhaobodo si achụso wee nweta ndị ha na ndị e kpebiri na ha nwetara Ọrịanjekoro-19 nwegoro mmetụta wee gwa ha ka ha gaa ka e nyochaa ha ahụ, ka ha zopukwa onwe ha na mmekọrịta ha na ndịmmadụ ndịọzọ.

Inyochapụta na iwepụ ndị nwere Ọrịanjekoro-19 ngwangwa site n'ịchọpụta mmetụta e nwegoro dị ezigbo mkpa n'imeghekwa Ontario n'ụzọ agaghị ebute nsogbu ma belata mfesa nke nje ahụ.

Ụzọ dị mfe ma dịkpa mkpa nke i nwere ike iji nye aka bụ site n'ịna-akwado ịchọpụta mmetụta e nwegoro. Nke a pụtara iji ngwaọrụ app nke ịchọpụta mmetụta e nwegoro, na ina-edebe ihencheta nke onyeọbụla nke gị na ya biarutere onwe ụnụ nso hinne, ikekwe na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, maọbụ n'ebe ọhaobodo na-emekọrịta dịka n'ọdụahịa mmadụ maọbụ n'okporoụzọ ụlọobibi dịgasị.

### Iji ngwaọrụ app nke ịchọpụta mmetụta e nwegoro wee na-eme ihe dị mfe.

Mgbaama Ọrịanjekọvid, ngwaọrụ app ekwentị nke Ontario na-eweta ụzọ dị ngwangwa, e chekwabara ọfụma, nke na-ekpuchikwa ozi nke onwe iji mee ka ndịmmadụ ndị zutegoro Ọrịanjekoro-19 mara.

Site n'iji Bluutut arụ ọrụ, ngwaọrụ app ahụ na-ekesara ndịọzọ ji ya bụ ngwaọrụ app eme ihe, bụ ndị nọ n'ebe dị nso, koodu ọ na-ewepụta na mgbe na mgbe.

Ọ bụrụ na nnyocha ọrịa e mere gị egosi na i nwere Ọrịanjekoro-19, ị ga-esite n'ụzọ agaghị ama onye ị bụ, wee gwa ndịọzọ ndị bịagoro gị nso n'ime mkpụrụ ụbọchị 14 gara aga.

Ọ bụrụ na onye ọzọ ji ngwọrụ ahụ eme ihe egosi na i zutego onye nwere Ọrịanjekoro-19 n'ime mkpụrụ ụbọchị 14 gara aga, a ga-esite n'ụzọ agaghị ama onye zitere ya, wee gwa gị.

Ngwaọrụ app ahụ:

- Ana ghị ewekọrọ nchịkọta ozi gbasara onwe maọbụ ozi gbasara ahụike nke onwe
- Ana ghị ewekọrọ maọbụ chọpụta ozi nke ebe GPS
- Ọ na-ejikwa aka ya mebie nchịkọta ozi niile nke e zoro onye ha si n'aka ya bịa ezo ma ụbọchị 14 gafee
- Iheọrụ Android na iPhones niile nwere ike iji ya rụ ọrụ
- Ya na ngwaọrụ app ndịọzọ yiri ya ndị e mere ebe abụghị Ontario na-arụkọta



### Ọ̀ ga-àbụ na ị̀ naghị maọbụ na ì nweghi ike iji ngwaọrụ app ahụ eme ihe? E nwere ụzọ ǹka ndịọzọ dị ala i nwere ike iji chọpụta mmetụta gị i nwegasịrị

I nwere ike ịchọpụtagasị mmetụta i nwegasịrị site n'ịna-ese foto ebe ọbụla ị na-aga, maọbụ site n'ịna-edekọta edemede n'ekwentị maọbụ n'akwụkwọ, dịka n'ihendekọ ime akpa maka ozi, nke bụ **OMA Pocket Diary**.

- Dekọta ozi gbasara oge na ebe ị gara, na onye i zutere.
- Depụtagasịa aha onyeọbụla gị na ya nọ wee ruo nkeji 15 maọbụ karịa n'ebe ụhara mgbatị ya pere mpe karịa mita abụọ (fiiti isii).
- Ọ bụrụ na ị maghị aha onye ahụ, depụta ozi ndịọzọ i nwere gbasara ya, dị ka *"Enwere m mkparịta ụka nke gara ogologo oge, mụ na otu onye ọrụ nke ngalaba ihenrụpụta n'ọrụ nke XX ọdụahịa nke dị na YY n'oge ZZ n'ụbọchị."*